# NDỤMỌDỤ DỊ ICHEICHE NKE PỌL NYE NZUKỌ KRAIST

**Taitọs 1:1-16; 2:1-15.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 418**

**Nke Ndịokenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: "Gi onwe-gi, nēkwu ihe nile kwesiri ozizi ahu nke nēnye ezi ndu" (Taitọs 2:1)**

**I. Okwu Mmeghe nke Pọl**

1. Pọl kwuru okwu banyere onweya, olileanya ya na ọlụ ya dị icheiche, Taitọs 1:1-3.
2. Pọl mere ka Taitọs mara ihe o ji rapụ ya na Krist, Taitọs 1:4,6; II Timọti 2:2; Ọlụ Ndi-ozi 14:23.

**II. Ndụmọdụ Dị icheiche nke Pụrụ Ichè**

1. Pọl kwara ntozuokè niile nke ndiokenye nke nzukọ na ndị nlekọta (bishops) nke nzukọ bụ́ ndị arọpụtara gaenwe, Taitọs 1:6-9; Levitikọs 10:9; Malakai 2:7; Ndị Efesọs 5:18; I Timọti 3:2-12; I Pita 5:2-4.
2. Pọl kọwara omume nke ndị Krit na ụzọ agaesi meso ha na ndị naekpe okpukpe ụgha, Taitọs 1:10-16; Ndi Rom 16:18; I Timọti 1:6,7; II Timọti 4:2-4.
3. Enyere ndịokenye na ụmụntakiri ndụmọdụ, Taitọs 2:1-6; Ndi Kọlọsị 3:18-22.
4. Taitọs aghaghị ịbụ iheatụ̀ nke ọlụ ọma na okwu nke naenye ezi ndụ, Taitọs 2:7,8; I Timọti 4:12; I Pita 2:12.
5. O nyere ndịorù ndụmọdụ ka ha naerubeisi, Taitọs 2:9,10; I Timọti 6:1,2.
6. Anyi gaabụ ndị gaebi ndụ ịsọpụrụ Chineke, naele kwa anya ọbịbịa nke Jisọs. Taitọs 2:11-13; Ndị Rom 6:19; Ndi Kọlọsị 1:22; 3:4; Ndi Hibru 9:28; I Jọn 3:2.
7. Jisọs nyere onweYa ka O wee gbapụta ma nụchapụtakwara onweYa otù ndị, ndị obi ha naanụrụ ọlụ ọma ọkụ, Taitọs 2:14,15; Deuteronomi 7:6; Ndi Efesọs 5:2; I Timọti 2:6; Ndi Hibur 9:14.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ekwuru na akwụkwọ a edegaara Taitọs bụ otù nime akwụkwọozi ikpeazụ nke Pọl dere. Pọl abụrụwo okenye ugbu a ma nye kwa ọtụtụ arọ n'ikwusa Oziọma nye ndị Mbaọzọ.

Anyi matara site n'Ọlụ Ndị-ozi 2:11 na enwere ndị Krit nọ nime Jerusalem n'ụbọchị Pentikọst ndị nụrụ ka ndị naeso ụzọ Kraist naekwuokwu n'asụsụ ha banyere oké ọlụ niile nke Chineke. Anyi enweghị ihe ọ bụla eder igosi nye tọrọ ntọala nke nzukọ niile dị na Krit, kama o nwere ike ịbụ na ụfọdụ ndị chegharịrị n'ụbọchị Pentikọst weere Oziọma ahụ laghachi n'agweetiti ahụ.

Anyi matara site n'akwụkwọozi a na Pọl agawori ileta Krit, na nzukọ dị icheiche nke dị n'ebe ahụ dị n'okpuru ọchịchị ya.

Na njem a Pọl enweghi ohere idozi ihe dum otú o kwesịrị ịdị ná nzukọ ndịa, n'ihi nka ọ rapụrụ Taitọs ka o dozie ihe fọdụrụ, ma rọpụta kwa ndị nlekọta nke nzukọ na ndịokenye n'ebe niile dị icheiche nke anaefè òfùfè.

### Atụmatụ Zuruokè nke Chineke

Iheọ̀tụ̀tụ̀ nke Pọl n'akụkụ niile nke Oziọma mgbe niile naabụ nke kachsị elu. Ọ bụ ọchịchọ ya ịnọgidesiike n'ikwesịntụkwasịobi n'iheatụ̀ ahụ bụ́ nke Chineke nyeworo.

Nime atụmatụ dị ukwu nke Chineke banyere okike, anyi pụrụ ịhụ otú O si lụa ọlụ n'usoro, naelegide atụmatụ ahụ nke O bu n'obi anya. N'otù aka ahụ, Oziọma Ya abụghị ihe ejikọtara ọnụ ná ngwangwa iji gboo mkpa nke otù hour, kama site n'amamihe nke sitere na Chineke, Chineke tụrụ atụmatụ nke Oziọma ahụ nke nwere ike ịkwada mmegide niile nke onyeiro ma mee kwa ka mmadụ

nwee mmeri. Atụmatụ Ya eguzogidewo ulé dị icheiche nke ọgbọ niile, ọ ka dị kwa ọhụ ma jupụta kwa n'ike dịka ọ dị mgbe enyere ya.

**Onyenketa nke Mkpụrụ ahụ niile**

N'ịbụ onye ndú n'etiti ụmụmmadụ, onye ahụ aghaghị ibu ụzọ keta òkè ná mkpụrụ niile nke Oziọma ahụ. Òlee otú mmadụ gaesi kuziere ndị ọzọ ma ọ bụrụ na ebughị ụzọ kuziere ya?

Mgbe ụfọdụ onye ka chegharịrị ọhụ nime Kraist naenwe mmetụta nke ọkpụkpọoku Chineke ná ndụ ya ma ngwangwa ọ naachọ ịpụ wee malite ikwusa okwu Chineke. Ọ naachọ ịbụ onyeozizi tutu akuziere ya; maọbụ, n'ụzọ ọzọ, ọ naachọ Ọ naachọ "ịgbapụ ọsọ tutu ezipụ ya." Mmasi ahụ o nwere na ịnụọkụn'obi ya dị mma kama ọ ghaghị inwe amamihe banyere omimi nke eziokwu nke Okwu Chineke ka o wee nwee ike kuzuere ndị ọzọ ụzọ nke eziomume ma nwee kwa ike ịnagide ọtụtụ ịgba mgba dị icheiche nke ya na onyeiro ahụ gaagba.

**Ntozuokè nke Imemmụọ nke Onyeozi**

Ihe mbụ dị mkpa bụ ọmụmụ ọhụ ahụ. Nikọdimọs bụ onyeozizi nime ulonzukọ ma Jisọs gwara ya na aghaghị ịmụ ya ọzọ, ma ọ bụghị utú a na ọ pụghị ịhụ alaeze Chineke anya. Aghaghị ịgbanwe obi ahụ. Mmụọ Chineke aghaghị isoro mmụọ anyi gbaa àmà na anyi bụ ụmụ Chineke. Nzọụkwụ nke abụa bụ odudonsọ, nke naeropụ mkpọrọgwụ Adam ma sachaa kwa obi ahụ site n'ụkpụrụ nke mmehie. Mgbe alụsịrị ọlụ onyinye amara abụa ndịa pụtara ìhè n'obi ndị naesoụzọ Ya, Jisọs wee sị ha, "Nọdunu n'obodo a (Jerusalem), rue mgbe agṅẹwere ike nke si n'elu yikwasi unu." Nka bụ Baptizim ukwu ahụ nke Mmụọ Nsọ naọkụ nke ha natara n'Ụbọchị Pentikọst. O nyere ha ike nke iji jee ozi. Ndịa bụ nkume eji tọọ ntọala ná nnwapụta nke OnyeKraist.

**Inyeaka nke sitere na Chineke Iji Kwusaa**

Pọl dụrụ Timọti ọdụ ka o "kwusa okwu Ya." Ka ewee nwee ike kwusaa Okwu ahụ mmadụ aghaghị ịbụ onye nwere nghọta zuru okè nke Okwu ahụ. Nke ahụ apụtaghị na ọ gaabụ onye jere n'uloakwụkwọ ebe anaamụ ihe banyere Chineke na ntọala nke ihe okpukep dị icheiche kwere na ya (Theology), kama ọ pụtara na ọ ghaghị ịchọsị enyemaka nke Chineke ike site n'ikpèrè ya ka o wee ike ikuzi Okwu nke Eziokwu ahụ.

Mmadụ pụrụ inwe nghọta zuruokè nke Okwu ahụ ma o nweghi otitemmanụ nke Mmọụ Nsọ ime ka ndị ọzọ mụta ihe ahụ. Ọ naewe "nmetuta" nke Mmụọ nsọ ịkpali obi dị icheiche ịlụ ọlụ. Dịka anwụ naakpalite mkpụrụ osisi akụrụ n'ala ito eto, otú a ka ọ naewe Mmụọ Nsọ ịkpọte obi dị icheiche ịza okù nke Oziọma. Asụsụ ahụ nwere ike dị nkénké ma dị kwa mfe ná ghọta ma mgbe ike nke Mmụọ Nsọ naakwagide okwu ahụ niile, ọ gaadị ukwu nke eji adọkpụ ihe dị arọ iji dọpụta ọtụtụ mkpụrụobi site n'alaeze nke ọchịchịrị baa n'Alaeze nke ìhè.

**Ntozuokè N'Iheana ahụanya**

Okwu ndụmọdụ nke Pọl nyere Taitọs dịka onyeozi dịkwara ndịozi niile, ndịọlụ niile, na ndị bụ òtù nke arụ nke Kraist. Tutu ozi ahụ abụrụ ihe dị irè n'ebe ndị naanụ ya nọ ndụ anaebi aghaghị ịbụ ihe nlere anya. Onye ahụ aghaghị ịbụ onye naeje ije n'izu okè n'anya ndị ụwa. Ihe ọ bụla ọ naeme aghaghị ịbụ n'ụzọ ziriezi, naenweghị aghụghọ ọ bụla: naenweghị ụgwọ ọ naachọghị ịkwụ, naenweghị ụzọ nzuzo iji ghọgbue mmadụ, naenweghụ ugwọ omume iru abụa.

Daniel bụ ezi iheatụ nke omume OnyeKraist n'ebe dị elu. Narị ndịisi na iri abụa tinyere mmadụ abụa bụ ndịisi ọchịchọ nke obodo ahụtaghị ihe ịsụngọngụ ọ bụla n'ụzọ o si alụ ọlụ nke eze.

Ikwesịntụkwasịobi naadị ma NdịKraist ma ndị ụwa mma. Ọ naenye nkwuwa okwu ịmata na mmadụ bụ ihe ọ naekwu na ya bụ -- ịbụ OnyeKraist n'ezie n'ụzo niile.

Ọkpụkpọokù nke ijeozi bụ ọkpụkpọokù dị elu n'ihi na onyeozi ahụ bụ onye naanọchita anya Chineke nke ebighiebi na onyeozizí nke eziokwu ebighiebi – Okwu nke Chineke. Ọ dịghị onye karịrị Chineke, ọ dịghị kwa ozi nke karịrị okwu Ya, nke bụ Baibụl.

**D nke otù Nwunye**

N'ala anyi taa iwu anyi naemegide ịlụ nwayi abụa. ma n'ụzọ nke ọzọ ọ naekwenye ka nkewa nke dị nanwunye dị n'ihi ihe nta ọ bụla naabaghị urù. Baibụl kwenyere ka nkewa nke di na nwunye dị n'ihi nanị otù ihe -- ịkwaiko, ma nka akwagideghi ịlụgharị di maọbụ nwunye ọzọ. Onye naelekọta nzukọ Kraist (Bishop) agaghị enwe karịa otù nwunye. (Gaụ Matiu 19:4-9). Nwoke ahụ nke lụworo

nwayị ma emesịa ya na nwunye ya ekewaa o wee lụrụ nwayị ọzọ emewo onweya ka ọ ghara ịbụ onye rurueru ịbụ onyeozi nke Oziọma, o wepụwo kwa onweya n'ịbụ onye obodo nke eluigwe (Ndị Galetị 5:9-21).

**Ụmụ Naerubeisi**

Chineke rọpụtara Abraham ka ọ bụrụ onyendú n'ihi na Ọ matara na ọ gaenye ezinaulo ya iwu. Ọ̀ bụ na Ọ chọghị ndịndú taa ndị gaeme otù ihe ahụ? Iwu ahụ nyere ndụmọdụ zuruokè banyere ụzọ agaesi akụziri ụmụntakịrị Okwu ahụ (Deuteronọm 6:7). Agba Ọhụ nke Akwụkwọ nsọ naekwu sị: "Nāzùputa ha n'ọzùzù na iduọdu nke Onye-nwe-ayi." Ọ naewe amamihe sitere na Chineke na ịnọgidesiike ịzụlite nwata. Ònye ka ihe nwatakịrị naadịghị erubeisi naamasị? Ndịozizi anyi taa naenye ndụmọdụ ka enye nwatakịrị ohere ime otú o si chọọ. Baibụl naasị, "Onye nēgbochi nkpa-n'aka-ya nākpọ nwa-ya saì: ma onye nāhu ya n'anya nādọsi ya aka na nti ike" (Ilu 13:24).

**Abụghị onye Naahụ Ego N'anya**

"Ndi akiri urù nke nēweta ihere nādigh-akpọ ha nku." Pọl gwara Timọti: "ihu ego n'anya bu nkpọrọgwu nke ihe ọjọ nile di iche iche: nke ufọdu nāgbasosi ike, ewe duhie ha n'okwukwe-ayi, ha were kwa ọtụtụ ihe-ngbu dupue onwe-ha" ( I Timọti 6:10). Ịhụ ego n'anya gaeme ọtụtụ mmadụ ikwenyere ndị ọgaranya n'ihe ọ bụla ma lefuru ndị ogbenye anya.

Mgbe Jọn onye naeme Baptizim nọ n'ulomkpọrọ o zigaara Jisọs ndị naesoụzọ ya abụa ịmata ma ọ bụ ya bụ Kraist ahụ. Jisọs zighachiri ya okwu sị "Anēzì ndi-ogbenye ozi ọma."

Solomon kwuru sị: "Ihe anārọputa ka ezi aha bu kari ọtụtụ àkù, Amara di kwa nma kari ọla-ọcha na ọla-edo" (Ilu 22:1). Pọl chọrọ ikwusa ákụ̀ nke Kraist nke anaenweghi ike igwupụta ya, nke gaeme ka mkpụrụobi nke ndị ọzọ babiga ụba okè. "Ọ ka mma inwe Jisọs karị inwe ọla-ọcha maọbụ ọla-edo," kwesịrị ịbụ ebumn'obi nke onyeozi Kraist ọ bụla.

**Ile Ndị ọbịa Nkeọma**

"Unu echezọla ile ndị-ọbia nke-ọma: n'ihi na ufọdu esitewo na nka le ndi mụọ-ozi ọbìa nāmagh ama" (Ndi Hibru 13:2). Ònye n'etiti anyi bụ onye naagaghị enwe ọñụ ịbata n'ulo dịka ọbìa mgbe anaasị ya "Emechighi uzọ nime" (maọbụ, "Ihe ikpọghe ụzọ dị n'ezi"). Mgbe mkpụrụobi nke ibuarọ naanyịgbu batara n'ulo onyeụkọChukwu, ikwe ya n'aka site n'ịhụn'anya na ịsị ya "Chineke gọzie gi" naenye aka ibupu ibu ahụ.

**Ndi Naekwuokwu Efu**

Onyeozi gaezute ndịozizi ụgha, ụmụnna ụgha, ọtụtụ ndị naekwu okwu efu na ndị nduhie ndị gaachọ ikpù okwukwe nke mmadụ dum dị n'ezinaulo iru ma ọ bụrụ naegbochighi ha. Pọl sịrị: "Were kwa aka ike tu ha nmehie-ha n'anya, ka ha we new ezi ndu nime okwukwe ayi." Ọ naewe amamihe, njisiike, na iheọmụma nke ihe bụ eziokwu iji nwee ike guzogide ụgha.

N'ikwu ihe banyere Jọn onye naeme Baptizim Jisọ sịrị, "Ọ̀ bụ gini ka unu pur je n'ọhia ka unu kiri? àmì nke nēme nkpatu site n'ifufe?" É-è. Otù nwoke naenweghi egwu ma dịkwa ike, nwoke nke pụrụ iguzo n'iru ndị Farisi wee sị, "Ònye gosiri unu ka unu gbanari iwe gaje ibia?"

**Mmechi nke Okwu Ndụmọdụ ahụ**

Nke fọdụrụ, "kwusa okwu-Ya." Ọlụ nke onyeozi bụ iritere Kraist mkpụrụobi n'urù. Ọ bụrụ na o debe ọnụụzọ nke okwukwe ọcha ijeozi ya agaghị abụ n'efu maọbụ ihe naamịghị mkpụrụ.

Aghaghị **ibindụ** dịka ọnyeKraist. Ekwuwo ya na ụmụmmadụ adịghị agụ Baibụl ha kama ha naagụ ndụ gị. Nye Onyenweanyi obi gị ma naeleanya ụgwọọlụ gị n'Eluigwe.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kọwaa omume nke ndị Krit.
2. Òlee otú ị chere ha si nweta Oziọma na mbụ?
3. Gịnị mere Pọl ji rapụ Taitọs na Krit?
4. Gịnị mere ọkpụkpọokú nke ijeozi a ji bụrụ ọkpụkpọokù dị elu?
5. Kwue ụfọdụ ntozuokè nke imemmụọ nke onyeozi.

6. Kwue ụfọdụ ntozuokè nke anaahụ anya nke onyeozi.
7. Gịnị mere onyeozi ji bụrụ orù nke mmadụ niile?
8. Gịnị bụ ndụmọdụ dị icheiche nke Akwụkwọ Testament ọchie naenye banyere ikuziri ụmụntakịrị Okwu ahụ?
9. Kwue otú ndikom na ndinyom bụ ndịokenye gaesi naeme omume.
10. Kwue otú ụmụokorobịa na ụmụagbọghọ gaesi naeme
11. omume.